Hackensack
Meridian *Health*
Mountainside Medical Center

# Ụlọ Ọgwụ Nlekọta HackensackUMC Mountainside

## IWU ENYEMAKA EGO

**Di ịré sịte n'ụbọchị: January 1, 2017**

**IWU/ỤKPỤRỤ**

Ọ bụ iwu nke Ụlọ Ọgwụ Nlekọta HackensackUMC Mountainside (nke "Òtù") iji hụ na ana-eme ihe zịrị ezị n'ịhu ọha mmadụ maka inye aka na mberede ma ọ bụ nlekọta obiọma ahụike dị mkpa ndị ọzọ na ngalaba nke Òtù a. E mepụtara iwu a iji kwado enyemaka ego ruru eru maka ndị ọrịa na-achọ enyemaka ego ma nweta nlekọta site n'aka Òtù a.

1. Enyemaka ego dum ga-egosipụta ntinye aka anyị maka ọdịmma dị mma, nchegbu pụrụ iche anyị nwere maka ndị bi n'ogbenye na ọnọdụ ndị ọzọ na-adịghị ike, yana ntinye aka anyị maka ọrụ nlekọta.

2. Usoro iwu a metụtara mberede niile na ọrụ ahụike ndị ọzọ dị mkpa nke Òtù a n'enye, gụnyere ọrụ onye ọrụ ahụike na omume ahụike. Iwu a anaghị emetụta ndokwa ịkwụ ụgwọ maka usoro nhoputa ma ọ bụ nlekọta ndị ọzọ na-abụghị nlekọta mberede ma ọ bụ na adịghị mkpa gbasara ahụike.

3. Ndepụta nke ndị na-Enye ihe Ekpuchiri site na Ịwu Enyemaka Ego na-enye ndepụta nke ndị enyemaka ọ bụla na-enye nlekọta n'ime ụlọ ọrụ nke Òtù ahụ nke na-akọwa kpomkwem ihe iwu enyemaka ego na-ekpuchi na nke ọ dịghị ekpuchi.

**NKỌWA**

Maka ebumnuche nke Iwu a, nkọwa ndị na-esonụ metụtara:

- "**501(r)**" pụtara Ngalaba 501(r) nke Koodu Ime-Ntinye Ego na iwu ndị e kwupụtara na ya.
- "**Ọnụahịa a na-Enyekarị**" ma ọ bụ "**AGB**" pụtara, maka ihe mberede ma ọ bụ nlekọta ahụike dị mkpa ndị ozo, ego a na-enyekarị ndị nwere mkpuchi na-ekpuchi nlekọta dị otú ahụ.
- "**Obodo**" pụtara mpaghara ebe nke Steti nke New Jersey
- "**Nlekọta Mberede**" pụtara ọrụ ma ọ bụ ọnọdụ ahụike nke siri oke ike na enweghi nlekọta ahụike ozugbo nwere ike ịtụ anya na ọ ga-ebute ezịgbo nsogbu ahụike nke onye ọrịa (ma ọ bụ nwa e bu n'afọ), oké njọ na arụ ịrụ ọrụ ahụ, ma ọ bụ ezịgbo nkwụsị ọrụ dị njọ nke akụkụ ahụ ọ bụla ma ō bụ akụkụ.
- "**Nlekọta Ahụike Dị mkpa**" pụtara nlekọta nke a kpebisiri ike dị mkpa maka ahụike na-eso mkpebi nke ezigbo ọgwụgwọ site n'aka onye dọkịta enyere ikikere na nkwenkwe ya na dọkịta na-ekwenye n'abata.
- "**Òtù**" pụtara Ụlọ Ọgwụ Nlekọta HackensackUMC Mountainside.
- "**Onye ọrịa**" pụtara ndị ahụ na-enweta mberede ma ọ bụ nlekọta ahụike dị mkpa na Òtù a na onye nwere ego maka nlekọta onye ọrịa ahụ.

**Enyemaka Ego Enyere**

1. Ndị ọrịa nwere ihe nweta na-erughị ma ọ bụ hà nhata 200 pasent nke Ogo Ịda Ogbenye Etiti (“FPL”), ga-eru maka 100 pasent nlekọta obiọma edepụrụ na akụkụ nke ebubo ahu maka ọrụ nke Onye ọrịa na-ahụ-maka ya na-esote ịkwụ ụgwọ sitere na onye na-nchekwa, ma ọ bụrụ na ọ nwere.

2. Ndị ọrịa na-enweta ego karịrị 200 pasent nke Ogo Ịda Ogbenye Etiti (“FPL”), ga-eru maka enyemaka obiọma na-adabere na njirisi dị n’okpuru ebe a:

Njirisi Ihe nweta

| Ihe nweta dị ka pasent nke Nduzi Ihe nweta Ogbenye HHS | Pasent nke Ụgwọ Akwụrụ site n’aka Onye oria |
|---|---|
| erughị ma ọ bụ hà ka 200 pasent | 0 pasent |
| karịrị 200 pasent mana obere ma ọ bụ hà ka 225 pasent | 20 pasent |
| karịrị 225 pasent mana obere ma ọ bụ hà ka 250 pasent | 40 pasent |
| karịrị 250 pasent mana obere ma ọ bụ hà ka 275 pasent | 60 pasent |
| karịrị 275 pasent mana obere ma ọ bụ hà ka 300 pasent | 80 pasent |
| karịrị 300 pasent | 100 pasent |

3. Ọ bụrụ na ndị ọrịa nọ na pasent 20 ruo 80 pasent na-ọnụọgụgụ ụgwọ ala n’ahụ maka ego tozụrụ etozụ akwụrụ n’akpa maka ahụike ihe dị karịa pasent 30 nke ego ha na-akwụ kwa afọ (ya bụ ụgwọ ndị otu ọzọ na-akwụghị), mgbe ahụ ego gafere 30 pasent ka a na-atụle dịka enyemaka ego nlekọta ụlọ ọgwụ.

4. Enwere ike ịkpebi oruru maka enyemaka ego n’oge ọ bụla na okirikiri ntinye ego na ịnwe ego ma nwee ike ịgụnye iji mgbakọ akwadoghị iji ịkpebie oruru na agbanyeghị odida onye ndebanye iji mezụọ ndebanye enyemaka ego (“FAP Application”).

5. A ga ekpebiriri oruru maka enyemaka ego maka ụgwọ ọ bụla nke Onye ọrịa nwere mkpa ego na-ahụ maka ya.

**Usoro Nlekọta ọrụ Ebere:**

- Ụsoro Enyemaka Ịkwụ ụgwọ Nlekọta Ụlọ Ọgwụ nke New Jersey (Enyemaka Nlekọta Obiọma) bụ n’efu ma ọ bụ belatara ụgwọ nlekọta nke a na-enye ndị ọrịa na-enweta ọrụ nbata onye ọrịa na mpùga onye ọrịa na ụlọ ọgwụ nlekọta nnukwu na gburugburu Steetị nke New Jersey. Enyemaka Ụlọ ọgwụ ma mbelata ụgwọ nlekọta dị naanị maka nlekọta ụlọ ọgwụ kwesịrị. Ụfọdụ ọrụ dịka ụgwọ onye dọkịta, ụgwọ nkwụsị ọbara, nkọwa rediọlọgị, na akwụkwọ ndenye ọgwụ mpùga onye ọrịa dị iche na ụgwọ ụlọ ọgwụ ma nwere ike ọ gaghị eru eru maka mbelata.
- Ụzo onyinye ego maka enyemaka ịkwụ ụgwọ nlekọta ụlọ ọgwụ bụ site na Ngalaba Onyinye ego nke Nlekọta Ahụike edoziri n’okpuru Iwu Ọha na 1997, Isi nke 263.

**<u>Enyemaka Ndị ọzọ maka Ndị ọrịa na Erughị maka Enyemaka Ego</u>**

Ndị ọrịa na-erughị eru maka enyemaka ego, dị ka akọwapụtara n'elu, ka nwere ike iru eru maka enyemaka ndị ọzọ nke Òtù na-enye. Na mmasị izu oke, a na-edepụta ụdị enyemaka ndị a ebe a, ọ bụ ezie na ha adịghị mkpa ma ọ bụghị na ha ga-edo onwe ha n'okpuru 501(r) mana ha na-esonye ebe a maka idimfe nke obodo ahụ sitere n'aka Ụlọ Ọgwụ Nlekọta HackensackUMC Mountainside.

1. Ndị ọrịa na-enweghị nchekwa na-erughị eru maka enyemaka ego ka a ga-enye nwepu ọnụego na-adabere na njirisi dị n'okpuru:
   (a) Ndị ọrịa nọ na ụlọ ọgwụ, Ndị ọrịa Mberede, na Ndị ọrịa na-ahapụ ụlọ ọgwụ Usoro: 115 pasent nke Ọnụ ọgwụ Ahụike
      (i) Usoro Ọbsterịks na Ịchọ mma na-emepụta ndokwa ego nke ịkwụ ụgwọ-onwe, ma adịghị n'okpuru ọnụego dabeere na nkwụghachi ụgwọ ọgwụ ahụike.

**<u>Njedebe nke ụgwọ maka Ndị ọrịa Ruru eru maka Enyemaka Ego</u>**

A gaghị agba ndị ọrịa ruru eru ụgwọ maka Enyemaka Ego n'otu n'otu karịa AGB maka ihe mberede na nlekọta ahụike ndị ọzọ dị mkpa ma ọ bụghị karịa ụgwọ dị oke ụba maka nlekọta ahụike ndị ọzọ. Òtù ahụ na-agbakọ otu ma ọ bụ karịa pasent AGB n'iji usoro "leanya na-azụ" na tinyere ego-nlekọta-ọrụ Ahụike na ndị-onwe na-ahụ maka mkpụchị ahụike na-akwụ ụgwọ na-nkwenye na Òtù ahụ, niile dị na usoro 501(r). Enwere ike ịnweta n'efụ ụdị nkọwa mgbakọ nke AGB na pasent(s) site na arịrịọ na mpaghara nbanye ọ bụla. Ndị ọrịa nwekwara ike ịrịọ maka udị ihe ndepụta n'efụ gbasara mgbakọ AGB na pasent site na mailu site na ịkpọ Ọrụ Ego Ndị ọrịa na (973) 429-6000, Ext. 5910 iji rịọ ka e zipụ udị akwụkwọ na adreesị ozi mailu Onye ọrịa.

**<u>Idebanye maka Enyemaka Ego na Enyemaka Ndị ọzọ</u>**

Onye ọrịa nwere ike itozu maka enyemaka ego site na ịru mgbakọ akwadoghị ma ọ bụ site n'idebanye maka enyemaka ego site na idobe ndebanye FAP zuru ezu. Ndebanye FAP na ntụziaka Ndebanye FAP ka aga eme ka ọ dị na arịrịọ Onye ọrịa n'oge ọrụ. Ọ bụrụ na Onye ọrịa chọrọ idebanye aka maka enyemaka ego mgbe ụbọchị nke ọrụ gasịrị, Onye ọrịa nwere ike ịnweta Ndebanye FAP na ntuziaka Ndebanye FAP ma bipụta ya kpọmkwem site na weebụsaịtị HackensackUMC Mountainside. Ndị ọrịa nwekwara ike ịrịọ maka ụdị akwụkwọ Ndebanye FAP na Ntụziaka Ndebanye FAP site na mailu. Iji rịọ ụdị otu akwụkwọ site na ozi mailu, Ndị ọrịa kwesịrị ịkpọ ngalaba Ọrụ Ego Ndị ọrịa na (973) 429-6000, Ext. 5910. Na nke ọ bụla n'ime ebe uzo ndị a akpọrọ, Ndebanye akwụkwọ FAP na ntụziaka FAP dị na ma English na Spanish.

**<u>Usoro iheomume Nnakọta nke Onye ọrịa – Ọrụ Ndị ọrịa nọ na ụlọ ọgwụ na Ndị ọrịa na-ahapụ ụlọ ọgwụ</u>**

Ụlọ Ọgwụ HackensackUMC na-enye nkwupụta okwu ịgba ụgwọ maka ọrụ ndị a rụrụ mgbe nchekwa hazichara kleemu ahụ, ma ọ bụ ozugbo maka ndị ọrịa na-enweghị nchekwa. Ụgwọ foro afo nke bụ oke na ọrụ nke onye ọrịa bụ ndị na-esonụ:

- Nkwụ Ụgwọ Onwe (Onye ọrịa na-enweghị nchekwa)
- Ịkwụ ụgwọ onwe mgbe enwechara Nchekwa (Nchekwa emejuola oke-na-ọrụ ha, na Ụgwọ foro afo bụzị oke-na-ọrụ onye ọrịa)

- Nlekọta Obiọma (Ụgwọ ndị a na-ewepụ na-adabere na pasenti ọrụ obiọma)
- Ịkwụ ụgwọ onwe mgbe ị natachara Nlekọta ahụike (oke-na-ọrụ Onye ọrịa dị ka akọwapụtara site na Nlekọta ahụike)

**<u>Okirikiri Nkwupụta</u>**

Maka ndị ọrịa niile, a na-ezite nkwupụta mailu ihe dịka ụbọchị ise mgbe Ụgwọ ahụ foro afo ghọrọ oke-na-ọrụ onye ọrịa ahụ.

**Ụgwo niile foro afo nke akwụ ụgwọ onwe –** Mkpokọta ịgba ụgwọ bụ n'okirikiri ụbọchị 120 tupu eziga Ụgwọ ahụ foro afo n'ebe nchịkọta. A ga e zigara onye ọrịa ahụ nkwupụta mgbe nchekwa mejupụtara òkè ha, ma ọ bụrụ na ọ dị. Ọ bụrụ na enweghi ike ịnakọta oke-na-ọrụ zuru ezu na-oge ochịe nke onye ọrịa n'oge ụbọchị ya ruru, onye ọrịa ahụ ga-anọgide na-enweta nkwupụta ndị na-esonụ (ruo ngụkọta 5). Ọ bụrụ na a nataghị ụgwọ a, a ga-eziga akaụntụ na ụlọ ọrụ nnakọta akwụkwọ.

**Ndị ọrịa na-ajụ banyere Ụgwọ ha ahụ foro afo nwere ike ịkpọ ndị ahịa ọrụ na (866) 525-5558** tiji hụ ma ha ruru eru maka nkwado ịkwụ ụgwọ. Ndị ọrịa na-enweghị ike ịkwụ ụgwọ nwere ike ịkpọtụrụ ụlọ ọrụ Enyemaka Ego anyị na (973) 429-6000, Mgbatị 5910.